Etu Ebe A Rụnyere Ụlọakwụkwọ Si Emetụta Ụmụakwụkwọ N'ọmụmụ Akpọmakpọ Ụtọasụsụ Igbo Izugbe N'ogo Sekọndịrị Ukwu Dị Na Steeti Ebonyi Na Enugwu

Fabian Uchenna Ude. Ph.D.[1]
Department of Arts Education,
Faculty of Education,
University of Nigeria, Nsukka.
E-mail: uchenna.ude@unn.edu.ng
Phone: 08064231662

Arohonyekachi Grace Nneoma[2]
Department of Arts Education,
Faculty of Education,
University of Nigeria, Nsukka.
E-mail: emmanuelgracenneoma@gmail.com.
Phone: 08156165776

Benjamin C. Igbeaku P.hD 3
Department of Linguistics, Igbo and Other Nigerian Languages
Faculty of Arts,
University of Nigeria, Nsukka
E-mail: benjamin.igbeaku@unn.edu.ng
Phone: 08033156026

Ụmịedemede

Nchọcha a lebara anya n'etu ebe a rụnyere ụlọakwụkwọ si emetụta ụmụakwụkwọ n'akpọmakpọ Igbo Izugbe. Ebe a nọ mee nchọcha bụ na Steeti Ebonyị na Enugwu. Nka nchọcha e ji mee nchọcha bụ nke Ekspostu-Fakto. Ngwa nchọcha e ji mee nchọcha a bụ Nnwale Mmetụta Ebe A Rụnyere Ụlọakwụkwọ n'Akpọmakpọ Igbo Izugbe (NMEARUAII) nke nwere okwu iri na ise. Ọnụọgụ Ụmụakwụkwọ e ji mee nchọcha a dị otu puku, narị ise, iri ise na ise (1,555). Ngwa ntụcha e ji tụchaa ihe e nwetara na nchọcha a bụ miin na ndịpụ n'izugbe tinyere ụmaokwu nchọcha a. Nchọcha a gosiri na ebe a rụnyere ụlọakwụkwọ dịka ebe mepere emepe

na ebe emepeghị emepe nwere mmetụta n'ebe ụmụakwụkwọ nọ na mkpọpụta okwu Igbo Izugbe. Ndị nchọcha tụrụ aro ka gọọmentị na-eziga ndị nkụzi a zụrụ nke ọma n'Igbo n'ụlọakwụkwọ dị n'ebe emepeghị emepe na inye ha akarangwa e ji akụzi ụtọasụsụ Igbo.

Okpụrụkpụ Okwu: Ebe a rụnyere ụlọakwụkwọ, Asụsụ, Asụsụ Igbo, Akpọmakpọ, Ụtọasụsụ, Igbo Izugbe na Olundị

Mkpolite

E nwere njirimara dị iche iche e ji mara agbụrụ dị iche iche nke gụnyere asụsụ, nkwenye na chi dị iche iche, ụdị nri ha na-eri, ụdị akwa ha na-eyi, dgz. Asụsụ bụ otu n'ime njirimara ndị ahụ nke pụrụ iche n'ihi na o metụtara ụzọ mmadụ na ibe ya si ezipụta mbunuche ha. Ọ bụrụ na asụsụ adịghị n'etiti mmadụ na ibe ya, ọ ga-ahịa ahụ ịmata ihe dị n'uche mmadụ. Iji kwado nke a, Mbah (2007) kọwara na asụsụ bụ ụzọ e si ezipụta mbunuche mmadụ, mmekọrịta mmadụ, ihe mmadụ chọrọ site n'ụda maọbụ akara edemede. Na nkọwa nke ya, Nnachi (2007) kọwara asụsụ dịka ngwa omenala nke a haziri iji gosipụta njirimara agbụrụ dị iche iche nke na-ewulite mmekọrịta, mmụta na nka dị iche iche n'etiti mmadụ na ibe ya. Nke a gosiri na agbụrụ ọbụla na-egosipụta omenala ha site n'asụsụ ha. Agbedo (2007) hụkwara asụsụ dịka ụzọ mmadụ si akọwapụta mbunuche, ka o siri dịrị ya, ihe ọ chọrọ site n'okwukwu, odide ma ọ bụkwanụ n'akara. Iji kwado nke a, Anagbọgụ, Mbah na Eme (2010) kọwara asụsụ dịka ụkpụrụ mmadụ kpụpụtara iji nwee mmekọrịta n'etiti mmadụ na ibe ya maka atụm aro, mmetụta onye nwere tinyere ọchịchọ obi ya nke a na-eji njiakpọ akpọpụta n'ọnụ ma ọ bụkwanụ dee ya n'akwụkwọ.

Ndị Igbo dịka agbụrụ na-asụ asụsụ Igbo nke a na-asụ na Steeti Abịa, Anambra, Ebọnyị, Enugwu na Imo. A na-asụkwazị Igbo na Delta, Rivas na Bayelsa. Ude (2016) kọwara na asụsụ Igbo bụ asụsụ ọdịnala e ji mara ndị Igbo nke a na-asụ na ndịda ọwụwa anyanwụ Naịjirịa. Asụsụ Igbo so n'asụsụ atọ gọọmenti nabatara ka a na-akụzi n'ụlọakwụkwọ dị na Naịjirịa - Awụsa, Igbo na Yoruba (FRN, 2008). Asụsụ Igbo bụ nke ụdaolu ma bụrụkwa nke nwere ọtụtụ olundị. Etu o siladị, n'ọmụmụ asụsụ Igbo n'ụlọakwụkwọ n'ogo ọbụla, ọ bụ Igbo Izugbe ka a na-akụziri ụmụakwụkwọ. Igbo Izugbe bụ Igbo a nabatara nke esi n'olundị dị iche iche

mejupụta e ji asụ ma na-edekwazị asụsụ Igbo nke abụghị olundị mba ọ bụla (Ude, 2016).

N'ọmụmụ asụsụ Igbo n'ụlọakwụkwọ, olundị dị iche iche na-emetụta ụmụakwụkwọ n'ọmụmụ ụtọasụsụ Igbo n'ihi na ha na-ewebata olundị ha na mkpọpụta ụdaasụsụ Igbo Izugbe. Ha na-emekwa nke a mgbe ha na-ede Igbo Izugbe. Ọ bụ nke a mere onye isi ule WAEC (2018) ji kọwapụta na ụmụakwụkwọ emeghị nke ọma n'ule asụsụ Igbo n'ihi na ha webatara olundị ha n'odide asụsụ Igbo ọ kachasị n'ụdaasụsụ. Iji kwado nke a, Ude na Umo (2019) chọpụtara na olu Igbo Waawa na-emetụta ụmụakwụkwọ na mkpọpụta okwu Igbo izugbe n'ọmụmụ ụtọasụsụ Igbo n'ihi na ha na-ewebata olu waawa mgbe ha na-akpọpụta ma na-ede Igbo Izugbe. Ọ bụ nke a mere ndị nchọcha ji mee nchọcha iji chọpụta ka ebe a rụnyere ụlọakwụkwọ si emetụta ụmụakwụkwọ n'akpọmakpọ ụtọasụsụ Igbo Izugbe.

Na steeti Ebonyị na Enugwu, ụfọdụ ụlọakwụkwọ ka a rụnyere n'ebe mepere emepe, ebe ụfọdụ ka a rụnyere n'ebe emepeghị emepe. E nwere njirimara ụfọdụ e ji akọwapụta obodo mepere emepe na nke emepeghị. Njirimara ndị a gụnyere na obodo mepere emepe bụ ebe ndị mmadụ si ebe dị iche iche bịakọtara ọnụ n'ihi azụmahịa, ọrụ Bekee, na mmepe obodo. Nke ọzọ akarangwa dịka akwụkwọ na ihe ndị na-enyere ndụ aka na-adị n'obodo mepere emepe karịa n'ime obodo ma ọ bụ n'obodo emepeghị emepe. Etu a ka ọ dị n'ụlọakwụkwọ dị na nke ọbụla. Umo (2001) kọwara na ebe a rụnyere ụlọakwụkwọ na-emetụta ụmụakwụkwọ n'ọmụmụ ụtọasụsụ Igbo n'ihi na ọ na-apụtakarị ihe na mkpọpụta ụdaasụsụ dị iche iche n'Igbo Izugbe. Ọbasị (2011)kọwara na ihe ụfọdụ na-ebutere ụmụakwụkwọ ndị nọ n'ime obodo ejighị eme nke ọma bụ na ha enweghị ndị nkụzi a zụrụ nke ọma na akarangwa dị iche iche e ji akụzi ihe. N'ihi ihe ndị a, ọ dị mkpa ịchọpụta ụmụakwụkwọ ndị ka eme nke ọma n'ọmụmụ ụtọasụsụ Igbo. Ya bụ ndị nọ n'ebe mepere emepe na ndị nọ n'ebe emepeghị emepe.

Nsogbu Nchọcha

N'ọmụmụ asụsụ Igbo Izugbe n'ogo n'ụlọakwụkwọ dị iche iche na Naịjirịa, ọ bụ Igbo Izugbe ka a tụrụ anya ka a na-amụ ma na-akụzikwazị. Mana n'ihi na asụsụ Igbo nwere ọtụtụ olundị dị iche iche, ụmụakwụkwọ na-eji olundị ha asụ ma na-edekwa Igbo Izugbe nke gosiri na olundị na-emetụta ha n'ọmụmụ ụtọasụsụ. Onye

isi ule WAEC (2018) kọwara na ụmụakwụkwọ emeghị nke ọma n'ule asụsụ Igbo n'ihi na ha ji olundị ha dee ụsa ha nyere n'ule ha lere. Ọzọkwa, Ude (2019) chọpụtara na ụmụakwụkwọ nọ na steeti Ebọnyị na Enugwu na-eji olu Igbo Waawa akpọpụta ma na-ede ụdaasụsụ Igbo Izugbe.

Ụfọdụ ụlọakwụkwọ ka a rụnyere n'ebe mepere emepe na n'ebe emepeghị emepe na steeti Ebọnyị na Enugwu. Ebe ụmụakwụkwọ nwerela mmetụta n'ọmụmụ ụtọasụsụ Igbo, ọ bụ mmụọ ndị nchọcha ịchọpụta etu ebe a rụnyere ụlọakwụkwọ si emetụta ụmụakwụkwọ n'ọmụmụ ụtọasụsụ Igbo Izugbe n'ogo sekọndịrị ukwu dị na steeti Ebọnyị na Enugwu.

Mbunuche Nchọcha

Mbunuche nchọcha a bụ ịchọpụta etu ebe a rụnyere ụlọakwụkwọ si emetụta ụmụakwụkwọ n'akpọmakpọ ụtọasụsụ Igbo Izugbe n'ogo sekọndịrị ukwu dị na steeti Ebonyị na Enugwu.

Oke Nchọcha

Nchọcha a jedebere n'ụlọakwụkwọ sekọndịrị ukwu dị na steeti Ebọnyị na Enugwu. O jedebekwara na mkpọpụta okwu Igbo Izugbe iri na ise nke ụmụakwụkwọ kpọpụtara.

Ajụjụ Nchọcha

Ajụjụ nchọcha a duziri nchọcha:

Kedu ka ebe a rụnyere ụlọakwụkwọ si emetụta ụmụakwụkwọ n'akpọmakpọ Igbo Izugbe?

Ụma Okwu

UO1: E nweghi ezigbo ndimiche na miin agbamumbọ ụmụakwụkwọ ndị nọ n'ebe emepeghị emepe na nke ndị nọ n'ebe mepere emepe na mkpọpụta okwu Igbo Izugbe.

Ntụleharị Agụmagụ

Atụtụ Njirimee Nchọcha

Atụtụ Agwa Ọmụmụ Asụsụ

Onye tụpụtara atụtụ agwa ọmụmụ asụsụ bụ Skinner (1957). Skinner kwenyere na ọmụmụ asụsụ metụtara iṅomi omume na agwa ndị mmadụ. Atụtụ a na-akọwa na ụmụaka na-amụta asụsụ site n'iṅomi ụda dị iche iche na usoro akpọmụda ha na-anụ na gburugburu ebe ha nọ ma sitekwa etu ahụ nweta ihe mgbamume nke nwere ike ịbụ otito mgbe ha sụrụ asụsụ ahụ nke ọma. Nke a pụtara na ọ bụrụ na ụmụaka enwe ike kpọpụta ụda dị iche iche dị n'asụsụ ha na-amụ, o kwesiri ka e nye ha ihe mgbamume nke ga-eme ka ha mụta asụsụ ahụ etu o kwesiri. Ya bụ na ụmụaka na-amụta asụsụ site n'iṅomiri na ilegide ndị okenye anya na gburugburu ebe ha nọ na-amụ asụsụ.

Atụtụ a dabara na nchọcha a n'ihi na o metụtara akpọmakpọ nke a na-amụ maka mkpọpụta ụdaasụsụ eji asụ asụsụ ọbụla dịka asụsụ Igbo. Mgbe ndị nkụzi na-akụzi akpọmakpọ, ha na-akpọpụta ụda dị iche iche, ụmụakwụkwọ a na-eṅomi etu ha si akpọpụta ụda ndị ahụ ma si etu ahụ akpọ nke ha. N'ezinaụlọ dị iche iche, mgbe ndị okenye na-akpọpụta ụda, ụmụaka nọ na gburugburu ahụ na-eṅomi etu ha si akpọpụta ụda dị iche iche dị n'asụsụ ahụ ọ kachasị n'asụsụ Igbo.

Nchọcha Emerela N'Isiokwu

Ebe (2008) mere nchọcha gbasara nsogbu ụmụakwụkwọ ndị bụ ndị Igbo na-enwe n'ọmụmụ akpọmakpọ asụsụ Bekee. Ọ bụ n'okpuru ọchịchị Isi-Ụzọ na Steeti Enugwu ka ọ nọrọ mee nchọcha ahụ. Ọnụọgụ o ji mee nchọcha ya bụ otu narị (100) ụmụakwụkwọ n'ogo sekọndịrị. Nka nchọcha o ji mee nchọcha ya bụ sọvee nkọwa. O ji pesentị tụcha ihe o nwetara na nchọcha ya. Nchọcha Ebe (2008) na nchọcha nke a nwere myiri n'ihi na ha abụọ metụtara akpọmakpọ asụsụ Igbo na nke Bekee na ka ha si emetụta ụmụakwụkwọ n'ọmụmụ ụtọasụsụ ndị ahụ. N'aka nke ọzọ, nchọcha Ebe na nke a nwere ndịiche n'ihi na nchọcha ya lebara anya n'akpọmakpọ asụsụ Bekee, nchọcha nke a lebara anya n'akpọmakpọ Igbo Izugbe. Ebe (2008) mere nchọcha ya n'Isi-Ụzọ na Steeti Enugwu, nchọcha nke a bụ na Steeti Ebọnyị na Enugwu ka e mere ya.

Nchọcha ọzọ e mere bụ nke Nkamigbo (2007) mere n'isiokwu a kpọrọ "Phonology in Teacher Education in Nigeria: The Igbo Examples" n'asụsụ Bekee. Nka nchọcha o ji mee nchọcha ya bụ sọvee nkọwa ma jiri ndị nkụzi dị iri (10) na ụmụakwụkwọ dị narị ise (500) wee mee nchọcha ya. Ngwa nchọcha ya bụ ajụjụ ọnụ ederede nke

o ji tepu rekọda nweta ihe ọrụ ya. Nchọcha Nkamigbo gosiri na e nwere ihe nhịahụ olundị Igbo na-ebute n'ọmụmụ akpọmakpọ asụsụ Bekee.

Myiri dị n'etiti nchọcha Nkamigbo na nke a bụ na ha abụọ metụtara akpọmakpọ olundị ndị Igbo na mmetụta o nwere n'ebe ụmụakwụkwọ nọ na mkpọpụta ụdaasụsụ Igbo Izugbe na nke Bekee. Ọ bụ n'ala Igbo ka e mere nchọcha abụọ ndị ahụ. Nchọcha Nkamigbo na nke a dị iche n'ihi na n'agbanyeghị na nchọcha Nkamigbo metụtara olundị Igbo, ọ dabeere n'asụsụ Bekee ebe nke a bụ naanị n'asụsụ Igbo. Nkamigbo ji nka sọvee nkọwa mee nchọcha ya, mana e ji nka ekspostu-fakto mee nke a. Ọ bụ na steeti ise dị n'ala Igbo ka Nkamigbo nọ mee nchọcha ya, mana nchọcha nke a bụ na steeti Ebọnyị na Enugwu na-asụ Waawa ka a nọrọ mee nchọcha.

N'ịga n'ihu, Nnene (2006) mere nchọcha n'isiokwu a kpọrọ "Analysis of Errors Between English Phonology Patterns and Ọgwụ Dialects of Igbo Among Senior Secondary School Students" n'asụsụ Bekee. O lebara anya na ndehie dị iche iche dị n'etiti asụsụ Bekee na olundị Ọgwụ mgbe ụmụakwụkwọ na-ede ihe n'asụsụ Bekee. Nka nchọcha o ji mee nchọcha ya bụ nke sọvee nkọwa. Ọnụọgụ nchọcha ya dị narị asatọ (800) bụ ụmụakwụkwọ. O ji tepu rekọda dịka ngwa ọrụ wee nweta ihe ọrụ o ji mee nchọcha a ma jiri miin tụcha ihe ọ chọpụtara. Nchọcha Nnene (2006) gosiri na olundị Ọgwụ na-emetụta ụmụakwụkwọ na mkpọpụta ụdaasụsụ Bekee.

Nchọcha Nnene na nke ugbu a yiri n'ihi na ha abụọ metụtara akpọmakpọ na olundị dị iche iche na mmetụta ha na-emetụta ụmụakwụkwọ n'ọmụmụ asụsụ Igbo na nke Bekee. Ndịiche dị n'etiti nchọcha Nnene na nke a bụ na ebe Nnene mere nchọcha ya n'Ọgwụ na steeti Enugwu, e mere nchọcha nke a na steeti Ebọnyị na Enugwu. Nchọcha ya dabeere n'asụsụ Bekee, ebe nchọcha nke a bụ n'asụsụ Igbo ka o lebara anya.

N'ime nchọcha ndị ahụ emerela dịka onye nchọcha si gosipụta n'elu ebe a, o nweghị nke e merela n'isiokwu nchọcha a kpọmkwem. Ya mere ndị nchọcha ji mee nchọcha a iji chọpụta etu ebe a rụnyere ụlọakwụkwọ si emetụta ụmụakwụkwọ n'akpọmakpọ ụtọasụsụ Igbo Izugbe n'ogo sekọndịrị ukwu dị na steeti Ebọnyị na Enugwu.

Usoro Nchọcha

Nka Nchọcha

Nka nchọcha e ji mee nchọcha a bụ Ekspostu-Fakto n'ihi na o metụtara ịchọpụta ihe dị ụmụakwụkwọ n'ime n'ụdị ka ha si akpọpụta ụdaasụsụ. Ọzọkwa, ekspostu-fakto bụ ụdị nka e ji achọpụta mmetụta otu ihe maọbụ ọnọdụ nwere n'ebe ihe ọzọ dị. Ali (2006) kọwara na nka nchọcha a bụ ekspostu-fakto ka e ji atụle mmetụta dị n'etiti agbammbọ nke otu maọbụ ogbe mmadụ abụọ. Nke a pụtara ịchọpụta ihe mere na otu "A" ka mee nke ọma karịa otu "B" n'otu nnwale maọbụ nke ọzọ. Nworgu (2006) kọwakwara na ekspostu-fakto bụ nka e ji ezipụta ka otu ọnọdụ si metụta ọnọdụ ọzọ dịka abụm oke maọbụ anyị, ebe mepere emepe maọbụ ebe emepeghị emepe. Ndị nchọcha họọrọ nka nchọcha a n'ihi na nchọcha a metụtara ebe a rụnyere ụlọakwụkwọ.

Ebe Nchọcha

Ebe a nọ mee nchọcha a bụ na Steeti Ebọnyị na Enugwu. Ndị nchọcha họọrọ steeti abụọ ndị ahụ n'ihi na ọ bụ ebe a na-asụkarị olu Igbo Waawa. Ndị nchọcha chọpụtara na ụmụakwụkwọ nọ n'ebe ahụ na-eji olu Igbo waawa ede ma na-asụkwa Igbo Izugbe. O wee dị mkpa ịchọpụta ka ebe a rụnyere ụlọakwụkwọ si emetụta ụmụakwụkwọ sekọndịrị ukwu n'akpọmakpọ Igbo Izugbe na steeti abụọ ndị ahụ.

Ndị Njirimee Nchọcha

Ọnụọgụ e ji mee nchọcha a bụ ụmụakwụkwọ sekọndịrị ukwu nke abụọ dị otu puku, narị ise, iri ise na ise (1,555). N'ime ọnụọgụ a, ụmụakwụkwọ dị narị asaa, iri asaa na isii (776) bụ ndị nọ n'ebe mepere emepe, ebe ndị nọ n'ebe emepeghị emepe dị narị asaa, iri asaa na itoolu (779).

Ngwa Nchọcha

Ngwa nchọcha e ji mee nchọcha a bụ "Nnwale Mmetụta Ebe A Rụnyere Ụlọakwụkwọ n'Akpọmakpọ Igbo Izugbe (NMEARỤAII) nke okwu iri na ise ụmụakwụkwọ kpọpụtara mejupụtara ma bụrụkwa nke onye nchọcha mepụtara.

Usoro Nnweta Ihe Nchọcha

Ndị nchọcha gara n'ụlọakwụkwọ iri abụọ e ji mee nchọcha nwale ụmụakwụkwọ ndị ahụ e ji mee nchọcha a site n'inye ha okwu iri na ise ha kpọpụtara. Ha ji

ekwentị dọrọ mkpọpụta ụda ha nyere. Ha mere nke a site n'enyemaka ndị nkụzi na-akụzi asụsụ Igbo n'ụlọakwụkwọ ndị ahụ.

Usoro Ntụcha Ihe A Chọpụtara

E ji miin na ndịpụ n'Izugbe tụchaa ihe a chọpụtara ma jiri ngwa 'T-test' nwale ụmaokwu nchọcha a.

Ntụcha Ihe A Chọpụtara

E nyere ụmụakwụkwọ okwu ndị a ha kpọpụtara:

1. Anwụ
2. Anyị
3. Anya
4. Aghara
5. Agha
6. Amaghị m
7. Ọnwụ
8. Ọṅụ
9. Ezi
10. Oghere
11. Onye arịrịọ
12. Enwe
13. Were
14. O nweghị

Ajụjụ Nchọcha

Kedu ka ebe a rụnyere ụlọakwụkwọ si emetụta ụmụakwụkwọ n'akpọmakpọ Igbo Izugbe?

Ọsịsa ụmụakwụkwọ n'ajụjụ nchọcha gbasatara etu ebe a rụnyere ụlọakwụkwọ si emetụta akpọmakpọ Igbo Izugbe ka e gosipụtara na tebul nke a.

Tebul Nke Mbụ: Miin na ndịpụ n'Izugbe gosiri etu ebe a rụnyere ụlọakwụkwọ si emetụta ụmụakwụkwọ n'akpọmakpọ Igbo Izugbe

Ebe	Ọnụọgụ N	$\bar{X}$	Ndịpụ n'Izugbe SD	Mkpebi
Ebe mepere emepe	776	2.878	.75174	Anabatara
Ebe emepeghị emepe	779	2.763	.84693	Anabatara

Na tebul nke mbụ, ọ na-egosi na ebe a rụnyere ụlọakwụkwọ na-emetụta ụmụakwụkwọ n'akpọmakpọ Igbo Izugbe. Nke a bụ n'ihi na akara miin pụtara ihe n'elu ebe a gosiri na ebe ụmụakwụkwọ nọ n'obodo mepere emepe nwetara akara miin 2.878, ndị nọ n'ebe emepeghị emepe nwere 2.763. tinyere nke a, akara ndịpụ n'izugbe miin abụọ ndị ahụ bụ .75174 na .84693 n'otu n'otu.

Nnwale Ụmaokwu Nke Abụọ site n'iji 't-test'

U_{o1}: E nweghị ezigbo ndịmiche n'akara miin agbammbọ ụmụakwụkwọ nọ n'obodo mepere emepe na nke ndị nọ n'ebe emepeghị emepe n'akpọmakpọ Igbo Izugbe.

Ụmaokwu gosiri miin agbammbọ ụmụakwụkwọ ndị nọ n'ebe mepere emepe na ndị nọ n'ebe emepeghị emepe.

Tebul nke Abụọ: Ntụcha 't-test' gosiri miin ndịmiche n'agbammbọ ụmụakwụkwọ nọ n'ebe mepere emepe na nke ndị nọ n'ebe emepeghị emepe.

Ebe	N	$\bar{X}$	SD	t	Df	Sig (2-tailed)
Ebe mepere emepe	776	2.87	.75174	2.815	1532.787	.005
Ebe emepeghị emepe	779	2.76	.84693			

Tebul nke abụọ gosiri akara e nwetara na nnwale ụmaokwu gbasara ụmụakwụkwọ ndị nọ n'ebe mepere emepe na ndị nọ n'ebe emepeghị emepe. Miin e nwetara bụ 2.87 maka ndị nọ n'ebe mepere emepe, 2.76 bụ maka ndị nọ n'ebe

emepeghị emepe. Nke ọzọ 't' bụ 2.815 ebe akara ndịmiche bụ .005. Nke a pụtara na agaghị agbakọnye maọbụ legara anya n'akara ndịmiche ndị ahụ na nhatanha.

Mkparịtaụka N'Ihe A Chọpụtara

Etu Ebe a Rụnyere Ụlọakwụkwọ si Emetụta Ụmụakwụkwọ n'akpọmakpọ Igbo Izugbe

N'ebe a, nchọpụta nchọcha gosiri na ebe a rụnyere ụlọakwụkwọ nwere mmetụta n'akpọmakpọ Igbo Izugbe. Akara miin e nwetara na tebul nke mbụ na-egosi na ụmụakwụkwọ ndị nọ n'ebe mepere emepe nwetara 2.878 ebe ụmụakwụkwọ ndị nọ n'ebe emepeghị emepe nwere 2.763. Site na miin ndị a, o gosiri na ndị nọ n'ebe mepere emepe ka mee nke ọma karịa ndị ọgbọ ha nọ ebe emepeghị emepe.

Nchọpụta nchọcha a dabara n'ihe Umo (2001) kọwara na ebe a rụnyere ụlọakwụkwọ na-emetụta ụmụakwụkwọ n'ebe ọ dị ukwu ọkachasị n'ọmụmụ ụtọasụsụ Igbo n'ihi na ụmụakwụkwọ nọ n'ebe mepere emepe na-emekarị nke ọma n'ọmụmụ asụsụ Igbo karịa ụmụakwụkwọ nọ n'ebe emepeghị emepe.

Iji kwado nke a, Ọbasị (2011) kọwara na ụlọakwụkwọ nọ n'ebe mepere emepe na-aka eme nke ọma karịa ndị nọ n'ebe emepeghị emepe n'ihi na ha na-enwe ngwa nkụzi nakwa ndị nkụzi e nyere ezigbo ọzụzụ. Nke a gosiri na ngwa nkụzi na inwe ndị nkụzi a zụrụ nke ọma na-akwalite ọmụmụ asụsụ Igbo Izugbe n'ụlọakwụkwọ.

Mmechi

Na mmechi, ọ dị mkpa ịrụtụ aka n'isi ihe a chọpụtara na nchọcha a nke gosiri na ebe a rụnyere ụlọakwụkwọ na-emetụta ụmụakwụkwọ ndị steeti Ebọnyị na Enugwu n'akpọmakpọ Igbo Izugbe. Nchọcha a gosipụtara na ụmụakwụkwọ ndị nọ n'ebe mepere emepe ka mee nke ọma karịa ndị nọ n'ebe emepeghị emepe.

Ntụnye Aro

Ndị nchọcha tụrụ aro ka gọọmenti na-enye ụmụakwụkwọ ndị nọ n'ebe emepeghị emepe ihe mgbamume dịka ịgụ akwụkwọ n'efu, akarangwa na ndị nkụzi zuru oke n'asụsụ Igbo nke ga-eme ka ha na-eme nke ọma n'ọmụmụ ụtọasụsụ Igbo.

Nrụaka

Agbedo, C.U. (2007). *Problems of multilingual nations: The Nigerian perspective*. Enugu: Fidgina Global Books.

Ali, A. (2006). *Conducting research in education and social sciences*. Enugu: Tashiwa networks.

Anagbọgụ, P.N., Mbah, B.M. & Eme, C.A. (2010). *Introduction to linguistics*. Awka: Amaka Dreams Ltd.

Ebe, A.E. (2008). Phonological problems encountered by Igbo learners of English language as L2 in Post Primary Schools in Isi-Ụzọ LGA of Enugu State. *Journal of Languages and Literature* 2(2) 23 – 32.

FRN (2008). *National Policy on Education*. Lagos: NERDC Press.

Mbah, E.E. (2007). *Elision in Igbo language and literature in developing country*. Onitsha: African first publishers.

Nkamigbo, L.C. (2007). Phonology in teacher education in Nigeria: The Igbo Language Example. *African Journal of Teacher*. 5 (111-21). Retrieved on April 20th 2022 from http://www.spreadcorp.org/ajote/index.html.

Nnachi, R.O. (2007). *Advanced Psychology of learning and scientific enquiries*. Owerri: Total Publishers.

Nnene, B.G. (2006). Analysis of error between English phonological patterns and Awgwu dialect of Igbo among secondary school students in Awgwu educational zone of Enugu State. Unpublished M.Ed Project. UNN.

Nworgu, B.G. (2006). *Educational research: Basic issues and methodology.* Nsukka: University Trust Publishers.

Ọbasị, M.N. (2011). Urban-Rural Differential in Teaching and Learning of Geography in Ahiazu Mbaise and Owerri Municipal Council in Imo State. *Environmental Research Journal Owerri: Scientific Research Publishing*.

Skinner, B.F. (1957). *Verbal behaviour*. New York. Appleton.

The West African Examinations Council, (2018). *Chief examiners' reports Nigeria*. Lagos: WAEC.www.waec.

Ude, F.U. & Umo, U.C. (2019). Mmetụta fọnịm olu Igbo waawa na mkpọpụta okwu Igbo Izugbe n'ogo sinịọ sekọndịrị dị na Steeti Ebọnyị na Enugwu. *Ikenga International Journal of Institute of African Studies, UNN.* 20 (1) 144 – 155.

Ude, F.U. (2016). Mmetụta Akpọmakpọ olu Igbo waawa n'ọmụmụ ụtọasụsụ Igbo Izugbe n'ogo siniọ sekọndịrị dị na steeti Ebọnyị na Enugwu. Unpublished Ph.D Thesis, Department of Arts Education, Faculty of Education, UNN.

Umo, U.C. (2001). Effects of games on the achievement and interest of JSS II in Igbo grammar. Unpublished Ph.D Thesis, Department of Arts Education, Faculty of Education, UNN.